NJIKỌRỌ AGWA NA NDỊNA N'*ONYE KPAA NKỤ AHỤHỤ* NA *AMAECHINA*

Si N'Aka
Chịọma M. Akaeze; Sọpụrụchị C. Abọh; Augustina N. Eze; &Juliana G. Mamah
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ,
Mahadum Naịjirịa, Nsụka
Odee ọnata ozi: sopuruchi.aboh@unn.edu.ng

Ụmị edemede
*Ọrụ nchọcha a lebara anya na njikọrọ agwa na ndịna n'ejije Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ na Amaechina. Ebumnuche nchọcha a bụ ịmata njikọrọ agwa na ndịnaisiokwu ma ọ bụ ndịnaya n'**Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ** na **Amaechina** nakwa inyocha ka ndị odee si were kpụọ agwa n'ejije ha dị ka ha si bụrụ nwoke na nwaanyị. Nchọcha a gbasoro usoro nkenụdị agwa site n'ọnọdụ agwa weere n'ejije (agwa ukwu na agwa nta) nakwa echiche Woolf na Beauvoir gbasara jenda odee na akparamagwa agwa nwoke na nwaanyị nọ n'ejije were tụchaa njatụle sitere n'ejije abụọ ndị e ji rụọ ọrụ. A chọpụtara na e nwere ihe jikọrọ agwa na ndịnaya nke bụ na ha abụọ na-ejikọ aka ọnụ ewepụta mbunuche odee nakwa nhazi ndị odee. A chọpụtakwara na odee nwere ike isite n'ọkpụkpụ agwa ya n'ejije gosipụta ụdị mmadụ ọ bụ dị ka nwoke maọbụ nwaanyị. A hụtara na ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ndị odee na-esite n'ọkpụkpụ agwa dị n'ejije gosipụta ụdị mmadụ ha bụ dị ka nwoke maọbụ nwaanyị mana nke a anaghị apụtacha ihe oge ọbụla maka **Onye Kpaa Nkụ** Ahụhụ akwadoghị echiche a. Odee bụ nwoke mana agwa ndị agwa ha dị njọ bụ ụmụnwoke ebe e nyere agwa ndị nwaanyị ezi akparamagwa. N'aka nke ọzọ, **Amaechina** dabara n'echiche Woolf na Simeone. A chịkọtara na ọ bụghị ọrụ agụmagụ niile ka echiche Woolf na Beauvoir na-adaba. Ndị nchọcha ọzọ nwere ike ịgbaso usoro ọzọ n'ịtụcha agwa na ndịna n'ejije Igbo.*

Ọkpụrụkpụ okwu: Ejije, Feminizim, Agwa ukwu, Agwa nta, Agụmagụ

1.0 Okwu mmalite

Na nkọwa nke ọtụtụ ndị ọkaa agụmagụ nyerela, a hụtara agụmagụ dị ka ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ndụ. E nwekwara ike ịkọwa agụmagụ dị ka ọrụ nka nke sitere n'echiche mmadụ pụta ma bụrụ nke na-ezipụta ihe na-emegasị n'ụwa mmadụ nọ n'ime ya (Nwadike, 1992; Abrams & Harpham, 2012; Uzochukwu, 2012). E nwere ike inwe agụmagụ ekwurunọnụ na nke ederede. N'ime ụdị agụmagụ abụọ a, e nwere akụkọ/ọdịnịigha, ejije na

abụ. Dị ka o si metụta nchọcha, ngalaba agụmagụ a ga-agbado ụkwụ na ya bụ ejije ederede.

N'otu aka ahụ kwa, ọtụtụ ndị ọkaa ahụtala ejije dị ka njije nke mmadụ na-ejije ihe e kere eke. Na njije ihe ndị a e kere, mmadụ na-ahapụ ụdị mmadụ ọ bụ wee ṅomie maọbụ jee ije onye ọzọ nke ọ na achọ iṅomi maọbụ kpaa agwa ka ya (Ikeokwu & Onyejekwe, 2009; Okafor, 2011; Dobie, 2012). Na nkọwa ejije a, otu n'ime ihe ndị pụtara ihe bụ na ọ bụrụ na e nweghị agwa, ejije agaghị ezu oke. Ọ bụ agwa ka e ji ejije akparamagwa mmadụ maọbụ anụmanụ. Ọ bụkwa site na njije agwa na-ejije mmadụ ma ọ bụ anụmanụ ka e si enweta ndịnaisiokwu ma ọ bụ ndịnaya ejije. Ndịna na-enye agwa nọ n'akụkọ ma ọ bụ ejije mpụtara ma site n'otu aka ahụ gosipụta agwa odee nyere ụwa ọ nọ n'ime ya, gọsịpụta etu ndị mmadụ kwesịrị isi akpa agwa ma ọ bụ ebi ndụ, ma gosipụtakwa etu ha si akpa agwa ma ọ bụ na-ebi ndụ n'ezie. Ihe nke a na-akọwa bụ na odee nwere ike isite na ndịna dị n'ejije ya ma ọ bụ iduuazị ya gosipụta agwa ndị mmadụ na-akpa nke na-ekwesịghị ekwesi, ma site n'edemede ya gosipụta agwa kwesịrị ekwesị ndị mmadụ kwesịrị ilenyere anya.

Ndị nchọcha edeela ọtụtụ nchọcha gbasara agwa ma ọ bụ/na ndịna n'ụfọdụ ejije Igbo (hụ Ozokolie, 2012; Ugwuijem, 2015; Echebima na Ikeokwu, 2017; Ezebube, 2018; Chukwuajah, 2018). N'ime nchọcha ndị a nakwa ụfọdụ nchọcha ndị ọzọ, dị ka ndị odee si matadebe, e nwebeghị nchọcha e merela gbasara njikọrọ agwa na ndịna n'*Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Amaechina* site n'ịgbaso echiche feminizim nke Virginia Woolf na Simeone de Beauvoir.

Ọ bụ site na nsogbu nchọcha na echiche Woolf na Beauvoir ka e ji were mbunuche nchọcha a dị ka ịmata njikọrọ agwa na ndịna n'ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Amaechina*. A ga-enyochakwa mmetụta jenda odee na-enwe n'ọkpụkpụ agwa ndị nọ n'ejije ya. N'oge a ga-atụcha njatụle, a ga-eleba anya na mbunuche nchọcha abụọ ndị a n'otu oge dị ka ha si pụta ihe n'akwụkwọ ejije abụọ e ji arụ ọrụ.

Nchọcha a bara nnukwu uru n'ebe ọ dị ukwuu maka na ọ bụ maka nkwalite agụmagụ ọ kachasị ejije Igbo. Ọ bụ site n'ụdị ihe ọmụmụ dị otu a ka a ga-eji mata ọtụtụ ihe banyere agụmagụ na omenaala Igbo ọ kachasị dị ka o si metụta njikọrọ agwa na ndịna ejije Igbo. Ụdị ihe ọmụmụ dị otu a nwere ike ịkpali mmụọ ndị nchọcha maka ime ụdị ihe ọmụmụ a na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ụdị ihe ọmụmụ a na-abụ ọrụ nrụtụ aka maka ndị ọzọ ga-eme ihe ọmụmụ n'agụmagụ n'ọdịniihu. Ọ ga-enyekwa aka na-eme ka ọrụ ndị a rụrụla n'agụmagụ Igbo na-etowanye n'ọnụọgụgụ.

Njatụle a ga-atụcha na nchọcha a ga-esite n'akwụkwọ ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Amaechina* nke Nwadike na Nwaozuzu dere n'otu n'otu. Usoro a ga-agbaso na ntụcha data bụ usoro nkọwa nke ga-agbado ụkwụ na nkenụdị agwa dị ka ọnọdụ agwa weere n'akụkọ (agwa ukwu na agwa nta) nakwa echiche Woolf na Beauvoir gbasara jenda odee na akparamagwa agwa ndị nọ n'ejije.

2.0 Ntụleharị agụmagụ

2.1 Nkọwa okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ

N'ebe a, a ga-eleba anya n'okwu ndị ahụ dị ezigbo mkpa ndị mmadụ kwesịrị ịmata gbasara ọrụ nchọcha a.

2.1.1 Agụmagụ

Nwadike (1992) na nkọwa ya gbasara agụmagụ, kọwara na agụmagụ bụ ọrụ nka nke sitere n'echiche mmadụ pụta ma bụrụ nke e ji egosiputa ma na-ahụ ndụ. Ihe nke a na-egosi bụ na agụmagụ ga-esiriri n'echiche mmadụ pụta ma bụrụkwa nke ga na-ezipụta ihe na-emegasị n'ụwa anyị nọ n'ime ya. Nwadike (1992) gakwara n'ihu ịrụtụ aka na nkọwa nkịtị e nyerela agụmagụ ederede bụ ihe ọ bụla dị n'ụdị ederede. Nke a na-egosi na ọtụtụ akwụkwọ anyị na-agụ n'ụwa taa bụgbado agụmagụ. Ka o sila dị, ihe ọmụmụ amụmamụuche na-egosi na nghọta okwu na-agbanwe ka oge na-aga na ndụ ya mere na e nwere ike inwe agụmagụ dị ka ọrụ nka na agụmagụ dị ka ọrụ mmụta nkịtị. Dị ka Roberts na Jacobs (2007) si kọwaa, agụmagụ ederede dị ka ọrụ nka dị ụzọ atọ, ha gụnyere: iduuazị, ejije na abụ. Iduuazị bụ nke e ji asụsụ nka were chọọ mma n'ụdị edemede, o nwekwara ọtụtụ ihe ndị ọzọ e ji mara ya. N'ejije, ọ bụ asụsụ ka agwa ndị a họpụtagasịrị ji eme mkparịtaụka iji were mejupụta ebumnuche odee na ya bụ ejije. N'abụ, ọ bụ nchemi uche nke mmadụ gbasara otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ nke metụtara ọhanaeze; odee na-eji okwu miri emi na atụmatụ okwu achọ ya mma. Ọ bụ okwu miri emi ka e ji ede ya nke ọgụụ nwere ike iji uche zuru ezu were gụọ ma ghọta ihe ọ na-agụ. Okwu miri emi ebe a bụ okwu ndị ahụ ga-akpali mmụọ mmadụ iche ezigbo echiche gbasara ihe ọ na-agụ.

Ebe ọ bụ na e nwere ngalaba agụmagụ abụọ dị ka agụmagụ nka na nke mmụta, nke a na-elebara anya na nchọcha a bụ nke nka maka na o sitere n'ekemekeuche pụta ma bụrụ nke e ji asụsụ nkamma ede (Nwahunanya, 2012). Agụmagụ dị ka orụ nka na-enwe isiokwu na ndịnaisiokwu, asụsụ, agwa, ntọala na nhazi.

2.1.2 Ejije

Ejije bụ njije nke e ji ezipụta ọtụtụ ihe na-eme n'ụwa nakwazi gburugburu mmadụ. Ikeokwu na Onyejekwe (2009) kọwara ejije dị ka emereme nke ndị omee ji ejije agwa ma ọ bụ akparamagwa ndị ọzọ n'ihu ndị nkiri n'elu nkwago ma ọ bụ ọbọm. Nke a pụtara na ejije bụ nke a na-emepụta n'elu nkwago ebe ndị

nkiri ga na-ahụ ihe niile na-emenụ ma si na ya nwee obi ụtọ. Okafor (2004) kọwara ejije dị ka ụdị agụmagụ e mebere ka a na-emepụta na nkwago. O metụtakwara bụ mmadụ ịhapụ ụdị mmadụ ọ bụ wee ṅomie ma ọ bụ jee ije dị ka onye ọ na-eṅomi si eje na akparamagwa ya ndị ọzọ. E nwere ọtụtụ ejije dị ka ejije agha, mgba, mmụọ, ofufe. Ejije ederede dị ka ọrụ nka na-adị n'ụdị e dere ede. Ndị na-emepụta ejije na-agụ akwụkwọ ejije ndị a ma mepụta ya n'ihu ndị nkiri maka ihe mkpaobiọma na iji ya kụzie nkụzi.

2.1.3 Agwa

Agwa pụtara ndị nọ n'agụmagụ ma ọ bụ ejije. Foster (1927) kewara agwa ụzọ abụọ nke ọ kpọrọ agwa rarịị na agwa ndagharị. Ọ kọwara agwa rarịị dị ka agwa ndị ahụ na-enweghị mgbanwe ọbụla ma kọwakwaa agwa ndagharị dị ka agwa ndị na-agbanwe agbanwe. Ihe nke a na-egosi bụ na e nwere agwa dị iche iche e nwere ike izipụta n'ejije ma ọ bụ akụkọ. Nwadike (1992) kọwakwara na agwa bụ onye ma ọ bụ ndị a kpọrọ aha n'agụmagụ; ndị nwere akọnuche dị ka mmadụ, na-ekwu okwu ma na-eme ihe a chọrọ. Nke a pụtara na agwa ọbụla ga-enweriri ezigbo akọnuche nke ga-enye aka izipụta ebumuuche odee. Echebima na Ikeokwu (2017) mere ka a mata na agwa dị n'ejije nwere ike ịbụ ihe adịghị eku ume.

Na nkọwa Okebalama (2003) gbasara agwa, o kwuru na ọ bụrụ na a chọọ iwepụta ndị ohi ma ọ bụ ndị ọbụla n'ejije, odee ga-enwe ndị ọ ga-akpụ dị ka Chi si akpụ mmadụ tinye ha okwu na echiche n'ọnụ na n'obi nye ha agwa ha ga-akpa. Ọ bụ ha ga-emepụta emereme niile a ga-eme na ya bụ ejije ma ọ bụ akụkọ. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ bụ odee ka ọ dịịrị ịkpụ ma hazie agwa ya ma sikwa etu ahụ gwa ha ihe dịgasị iche iche ha ga-eme iji zipụta ebumuuche ya n'ụzọ doro anya.

Nghọta anyị n'ihe ọmụmụ a bụ onye ma ọ bụ ndị na-emepụta emereme dị n'ejije. A na-ewepụta agwa site n'inyocha omume ha, echiche ha, okwu ọnụ ha, akparamagwa ha na ihe ndi ọzọ ga-adị nnukwu mkpa. E jikwazi agwa ezipụta ndinaisiokwu. E soro ọnọdụ agwa n'akụkọ, e kewara agwa ụzọ abụọ: agwa ukwu na agwa nta. Agwa ukwu bụ agwa ndị ahụ bụ isi sekpụ ntị n'ejije nke bụ na e wepụ ha, ejije ga-abịa n'isi na njedebe. Agwa nta bụ agwa ndị ahụ na-enweghị ezigbo ọrụ ha rụrụ n'ejije. E wepụ ha, ejije ga-agakwa n'ihu. Ọ bụ site n'ịgbado ụkwụ na nkenụdị a ka e ji tụchaa njatụle.

2.1.4 Ndịna agụmagụ

Anderson na ndị ọzọ (1993) kọwara na ndịna n'agụmagụ bụ mgbọrọgwụ agụmagụ. Ndịna na-enye agwa nọ n'akụkọ ma ọ bụ ejije mpụtara ma site n'otu aka ahụ gọsịpụta agwa odee nyere ụwa ọ nọ n'ime ya, gosipụta etu ndị mmadụ kwesịrị isi akpa agwa ma ọ bụ ebi ndụ, ma gọsịpụtakwa etu ha si akpa agwa ma

ọ bụ na-ebi ndụ n'ezie. Ihe nke a na-akọwa bụ na odee nwere ike isite na ndịna dị n'ejije ya ma ọ bụ iduuazị ya gọsịpụta agwa ndị mmadụ na-akpa nke na-ekwesịghị ekwesị, ma site n'edemede ya gosipụta agwa kwesịrị ekwesị ndị mmadụ kwesịrị ilenyere anya. Achomadụ (2011) n'aka nke ya kọwara ndịna ka echiche ejije na-akọwapụta. N'ejije, ndịna na-edo anya. Ọgụụ nwere ike ịghọta ndịna na-enweghị ihe mgbakasị ahụ ọbụla maka na odee bụ site n'ihe ndị na-emegasị na gburugburu ya n'oge ụfọdụ na-akpali mmụọ ya ide ejije.

Soles (2009) gakwara n'ihu kọwapụta na e nwere ụdị ndịnaisiokwu asaa nke na-apụtakarị ihe n'edemede agụmagụ Igbo. Ha gụnyere ezi na ụlọ, ịhụnaanya, agha, ekereụwa (nature), ọnwụ, okwukwe, na oge. Na nchọcha a, a ga-akọwa ezi na ụlọ, ịhụnaanya na agha. Na nkọwa ya gbasara ezi na ụlọ dị ka otu n'ime ndịnaisiokwu edemede agụmagụ nwere, o mere ka a mata na akụkọ ọ bụla ga-enweriri ezi na ụlọ. Ezi na ụlọ na-enwe agha nakwazi ịhụnaanya nke na-akwado akụkọ ma ọ bụ ejije. Soles (2009) gakwara n'ihu kọwaa ịhụnaanya dị ka isiokwu zuru ụwa niile ọnụ. N'echiche ya, ịhụnaanya nwere ike ime n'ebe ọ bụla. N'ejije, a ga-enwekarị ịhụnaanya n'etiti nwoke na nwaanyị ma ọ bụ n'etiti ndị ọzọ. Agha ka ọ kọwara dị ka otu n'ime ndịnaisiokwu na-apụtakarị ihe n'ọrụ agụmagụ nke odee ejije na-ede maka egwu agha, mwute nke nkwafu ọbara na ndụ mmadụ nakwazi nke akụnụba (Soles, 2009).

Ndịna ma ọ bụ ndịnaya na nghọta nke anyị bụ ụzọ odee si eziputa ihe o bu n'uche were na-ede ma na-ahazi ejije ya. Ndịna gbadoro ụkwụ n'isiokwu odee na-ekwu maka ya n'ejije ya. Ndịna bụ ụzọ e si ewepụtara ọha na eze ihe site n'ogogo kwesiri ekwesi. Mwepụta ndịna n'agụmagụ gbadoro ụkwụ n'etu odee si wee chọọ iwepụta ebumnuche ya. Ndịna bụ ihe odee chọrọ ide ma ọ bụ ikwu maka ya. Ndịna agụmagụ mejupụtara ihe ahụ odee chọrọ ịgwa ọhanaeze; ihe odee gwara ọhanaeze mgbe ụfọdụ na-abụkarị isiokwu. N'ọrụ ejije, ndịna ka a na-eweputa site n'okwu ndi mmepụta ejije kwuru nakwazi ihe ha nụtara n'ọnụ ndị mmepụta ejije ibe ha. Odee nwere ike iguzobe agwa ka ha na-ekwu gbasara onwe ha; o nwekara ike ịgwa ọhanaeze banyere agwa ọ bụla n'ejije. Agwa so n'otu ihe kacha dị mkpa n'ejije agụmagụ Igbo ma bụrụkwa ụzọ odee nwere ike isi na-ezipụta echiche ya gbasara ụwa.

2.2 Ntụleharị nchọcha e merela banyere isiokwu

Ikeokwu (2004) nyochara agwa n'ọtụtụ akwụkwọ ejije Igbo. O mere ya iji gosipụta ndịiche dị n'agwa na akparamagwa nwoke na nwaanyị n'ejije Igbo. Ọ kọwara na ọ bụ akparamagwa mmadụ n'obodo onye ahụ na-ekwu ihe onye ahụ bụ. Ọ kọwara na ụzọ ihe abụọ nwere ike ime ka mmadụ na-akpa agwa etu o si akpa agwa bụ jenda na obodo. Na nkọwa ya gbasara jenda, ọ kọwara na mmadụ ịkpa agwa dị ka nwoke ma ọ bụ nwaanyị bụ maka na chi kere ụwa onye ahụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ọ kọwara na obodo mmadụ bi na ka ihe siri debe ihu

n'obodo nwere ike ime mmadụ ka ọ kpaa agwa dị iche iche. Nchọcha Ikeokwu (2004) na nke a yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ jicha ejije Igbo were rụọ ọrụ. Ndịiche dị na ha bụ na ebe nchọcha Ikeokwu (2004) gbadoro ụkwụ n'ịgọsịpụta ndịiche dị n'agwa na akparamagwa n'ejije Igbo ndị o ji rụọ ọrụ, nke a gbadoro ụkwụ na njikọrọ agwa na ndịna n'ejije ndị a họọrọ.

Asọgwa (2008) mere nchọcha gbasara agwa na ntọala n'akwụkwọ ejije *Ugomma*. Asọgwa gosipụtara na ọ bụ agwa odee kpụrụ ka o jiri mere ngwa ọrụ o ji ezipụta akparamagwa dị iche iche a na-ahụ anya n'obodo taa. Ọ chọtara na ọ bụ site n'aha agwa dị iche iche n'ejije zara tinyekwara akparamagwa ha ka e ji nwee ike ịchọpụta na ntọala ejije a bụ ala Igbo. Ọ bụ n'akparamagwa agwa ndị a ka e si mata ntọala ọnọdụ ejije a. Nchọcha Asọgwa na nke a yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ na-eleba anya na agwa ma bịazie jiri ejije mere ngwa ọrụ. Ha dịwagara iche n'ihi na nke Asogwa gbadoro ụkwụ n'agwa na ntọala ebe nke a gbadoro ụkwụ na njikọrọ agwa na ndịna.

Ozokolie (2012) mere nchọcha nke gbadoro ụkwụ n'etu ịkpụ agwa si egosipụta jenda ma ọ bụ ụdị odee n'ejije *Ajọ ObiỌdị Ụkọ na Mba.* Na nchọcha ya, ọ chọpụtara na ọ bụrụ na onye na-agụ ejije mmadụ eleghị anya nke ọma ịmata onye dere agụmagụ, na onye ahụ ka nwere ike ịmata nke a site n'otu odee si wee kpụọ agwa n'ọrụ ya. Ihe Ozokolie (2012) chọpụtara bụ na odee na-akpụ agwa dị ka jenda ya si dị; ọ bụrụ na odee bụ nwoke, ọ ga-eji ezi agwa zipụta agwa ndị nwoke nọ n'ọrụ ya. Otu aka ahụ kwa ka ọ dị n'ebe odee nwaanyị nọ. Nchọcha Ozokolie gbadoro ụkwụ n'etu odee si akpụ agwa na ihe kpatara ya, ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ na njikọrọ agwa na ndịna n'*Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Amaechina.*

Chukwuajah (2018) mere nchọcha gbasara asụsụ na agwa n'ejije *Ọnọdụ Ugo Adịghị Egbe Mma* na *Akarachi*. Mbunuuche nchọcha ya bụ ịtụle ka ndị odee si were asụsụ rụọ ọrụ n'ejije ha nakwa ilebanye anya na njikọrọ asụsụ na agwa. Chukwuajah (2018) chọpụtara na e nwere ọtụtụ ihe njikọrọ dị n'etiti asụsụ na agwa nke gụnyere na ha na-ejikọ aka ọnụ e wepụta isiokwu, ndịnaisiokwu, na ebumnuche odee. Ọ chọpụtara ụdị asụsụ dị iche iche e nwere dị ka asụsụ keụdị na asụsụ nke mpụnụụdị nke pụtara ihe n'ejije ndị o ji mere ngwa ọrụ. Ọ chọpụtara na e nwere agwa rarịị na agwa ndagharị nke odee ejije ndị ahụ jiri rụọ ọrụ. Ọ chọpụtara na ọ bụ asụsụ ka odee ji akpụ agwa dị n'ejije ya. Ọ bụghị oge niile ka ihe odee bụ na-ekpebite ka o si akpụ agwa dị n'ejije ya.

2.3 Atụtụ nchọcha

Atụtụ a gbadoro ụkwụ na nchọcha a bụ atụtụ feminizim nke Virginia Woolf na Simeone de Beauvoir. Ndị ọkà abụọ a kwuru na jenda odee bụ na-emetụta etu odee si akpụ agwa. Ọ bụrụ na odee bụ nwoke, ọ ga-eme ka agwa ndị nwoke

nwee ezi agwa ebe agwa ndị nwaanyị ga-enwe agwa ọjọọ. Mana ọ bụrụ na odee bụrụ nwaanyị, ọ ga-eme ka agwa ndị nwaanyị nwee ezi agwa ebe ụmụ nwoke ga-enwe agwa ọjọọ. Ọ na-emekwa ka isiagwa ya bụrụ nwaanyị ma ọ bụkwanụ mee ka ụmụ nwaanyị karịa ụmụ nwoke n'ejije ya. Nghọta e nwere ike isite n'echiche ha kpebite maka ndịna agụmagụ bụ na ihe odee bụ dị ka nwoke ma ọ bụ nwaanyị nwere ike imetụta isiokwu na ndịnaisiokwu agụmagụ. Echiche Woolf na Beauvoir bụkwa na odee nwoke na-ejikarị agwa nwoke eme isiagwa. Ihe ọ pụtara bụ na ndịna/ndịnaya agụmagụ ahụ ga-aka agba isiagwa ahụ okirikiri. Odee n'aka nke ọzọ bụrụ nwaanyị, ndịnaya/ndịna agụmagụ ya ga-agba isiagwa nwaanyị okirikiri.

2.4 Nchịkọta ntụlegharị agụmagụ

Na ntụlegharị agụmagụ, e lebara anya n'okwu ndị dị ọkpụrụkpụ metụtara isiokwu dị ka o si metụta agụmagụ, ejije, agwa, na ndịna agụmagụ. A tụlegharịrị ọrụ nchọcha dị iche iche e merela metụtara isiokwu a bụ agwa na ndịna n'ejije. E lebakwaziri anya n'atụtụ a gbadoro ụkwụ kpọmkwem wee na-eme nchọcha a. N'ime nchọcha ndị a tụlegharịrị, a hụtara na e nwebeghị nchọcha, dị ka ndị odee si matadebe, lebarala anya na njikọrọ agwa na ndịna n'*Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Amaechina.*

3.0 Njikọrọ agwa na ndịna *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*

3.1 Agwa ukwu ndị dị n'*Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*na ndịna

Ebe a metụtara agwa ndị ahụ bụ agwa ukwu n'ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*, ndịna ma ọ bụ ndịnaya ha zipụtara nakwa ka ha si metụta odee dị ka o si bụrụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ya bụ, agwa ukwu ndị pụtara ihe n'ejije a na ndịna ha gụnyere: Ikechukwu, Amaka, Nnenna, Chijioke. Ndịna ha n'aka nke ọzọ gụnyere: aghụghọ, obi mgbawa, ajọ enyi, ahụhụ, iwe, mgbaghara, ezi nwaanyị, nkwụdosi ike na ndị ọzọ.

3.1.1 Ikechukwu

Odee ejije a ji Ikechukwu zipụta ndịna/ndịnaya aghụghọ na ahụhụ. Aghụghọ pụtara ihe mgbe Ikechukwu jụrụ ịnabata Amaka na afọ ime ya. Mgbe mbụ Amaka bịakwutere Ikechukwu kọọrọ ya maka afọ ime ya, o kwetere na ya bụ nna nwa ahụ o bu n'afọ mana mgbe Amaka bịaziri nke abụọ, ọ gọnarịrị ya na afọ ime ya wee gwa ya ka ọ ga-chịrị akwa ya ebe ọ sara ahụ na ya bụ Ikechukwu amaghị ihe ọ na-ekwu ma ncha. Odee n'aka nke ya bụ nwoke mana o zipụtara ụmụ nwoke ibe ya dị ka ndị aghụghọ n'ejije a ọ kachasị n'ebe ndị ntoroọbịa nọ. Nke a dị ire n'ihi na Ikechukwu gere enyi ya nwoke ntị wee mụta etu e si aghọ aghụghọ na ịgọnarị mmadụ nke pụtara ihe n'ebe enyi ya nwaanyị bụ Amaka nọ. Odee zipụtakwara ụmụ nwoke dị ka ndị e nwere ike idufu ụzọ ma ọ bụ nye ntụziaka. Ntụziaka nke a nwere ike ịbụ ntụziaka nke ọma ma ọ bụ nke ọjọọ.

Nke a pụtara ihe n'ebe Ikechukwu na enyi ya nwoke, Chijioke nọ. Odee ejije a jikwazi Ikechukwu zipụta ndịna/ndịnaya nke ahụhụ. Odee zipụtara na nwoke ọ bụla mere ihe ọjọọ megide ụmụnwaanyị ga-ata ahụhụ dịịrị njọ ya. Nke a pụtara ihe mgbe Ikechukwu nọrọ afọ iri na isii na-amụtaghị nwa ọ bụla. N'agbanyeghị na Ikechukwu bụ onye na-agba mbọ nke na ọ na-ahụ ihe ya na nwunye ya na-eri kwa ụbọchị, echiche nwa ọ mụtabeghị na-echekwa ya na nwunye ya oge ọ bụla. Nke a gosiri na Ikechukwu tara ahụhụ a afọ iri na isii maka ajọ omume o mesoro Amaka. Ya bụ na odee ji ụzọ dị etu a katọọ agwa ụmụnwoke na-emeso ụmụnwaanyị.

3.1.2 Amaka

Odee ejije a ji akparamagwa Amaka zipụta ndịna/ndịnaya obi mgbawa, ahụhụ, iwe, na mgbaghara. Obi mgbawa pụtara ihe na ndụ Amaka mgbe enyi ya nwoke bụ Ikechukwu, nke o chere na ya na ya kwụ otu ebe n'ihe gbasara afọ ime ya gọnarịrị ya. Ngọnarị a Ikechukwu gọnarịrị Amaka gbawara ya obi. Naanị ya mechara zụọ nwa ya na-enwetaghị enyemaaka ọ bụla n'aka Ikechukwu bụ onye tinyere ya n'ụdị ọnọdụ ọ hụtara onwe ya. Iwe pụtakwara ihe dị ka ndịnaisiokwu ejije a n'ihi na mgbe Ikechukwu jụrụ Amaka na afọ ime ya, Amaka ji iwe bụọ ya ọnụ nwa. Ọnụ a ọ bụrụ Ikechukwu mechara dị ire n'ihi na Ikechukwu na nwunye ya biri ihe dị ka afọ iri na isii na-amụtaghị nwa ọ bụla.

Ahụhụ pụtakwara ihe dị ka otu n'ime ndịnaisiokwu e ji Amaka wee zipụta mgbe Amaka chọpụtara na ọ dị ime. Ọ tagidere ahụhụ wee mecha buo afọ ime ya ma sikwa etu ahụ tagide ahụhụ ruo mgbe ọ mụrụ ya bụ nwa. Mgbe ọ mụchara nwa ahụ, o bidokwara zụwa ya bụ nwa na-enwetaghị enyemaka ọ bụla n'aka Ikechukwu bụ onye tinyere ya n'ọnọdụ ahụ. Mgbaghara bụ ndịnaisiokwu ọzọ pụtara ihe mgbe Ikechukwu na nwunye ya bịara na nke Amaka maka ịrịọ mgbaghara ihe ọjọọ o mere ya. Amaka n'aka nke ya gbaghaara ya njọ ya na-atụfughi oge. Mgbe o mechara nke a, ọ nwụrụ n'otu aka ahụ. Ndịna/ndịnaya a niile bụ nke odee ji wee zipụta ihe nwere ike ime mgbe ụmụ nwoke kpasara ụmụ nwaanyị agwa na-ekwesighị ekwesị. Odee ji ndịnaya ndị a katọọ akparamagwa ụmụ nwoke n'obodo ọ kachasị dị ka o si metụta ụmụ nwaanyị ha kpasoro ụdị agwa ahụ nakwazi nsogbu na ahụhụ na-esote ya. Nke a gosiri na odee akwadoghị ka ụmụnwoke na-emegide ụmụnwaanyị ma ọ bụkwanụ tụnye ha ime wee gọnarị ha dị ka o si pụta ihe n'ejije a.

3.1.3 Nnenna

Nwadike ji akparamagwa Nnenna zipụta ndịnaisiokwu/ndịnaya nke ịbụ ezi nwaanyị, nkwụdosi ike na ahụhụ. Ezi nwaanyị pụtara ihe dị ka ndịnaya n'ejije a maka na o siri ike ịhụ nwaanyị ga-anọgide na be di ya na-amụtaghị nwa afọ iri na isii ọ kachasị mgbe e jechara ụlọ ọgwụ wee chọpụta na ahụ zuchara ha oke. E nwere nwaanyị ọ ga-abụ mgbe ọ matara na o nweghị ihe na-eme ya na

di ya dị ka o si metụta ịmụta nwa, o bido gbawa n'iro ma ọ bụkwanụ gbaa alụkwaghị mana Nnenna emeghị etu ahụ. Ọ bụ ezi nwaanyị n'ihi na o nwere obi umeala wee na-atụkwa egwu nke Chineke. Odee jikwazi ya zipụta ndịna nkwụdosi ike n'ihi ka ihe niile na-eme, Nnenna kwụdosiri ike n'ebe di ya nọ na-enweghị nkatọ ọ bụla. O nwere nwaanyị ọ ga-abụ, o bido katọwa di ya kọwa ya ọnụ niile dị iche iche maka amụtaghị nwa ha mana Nnenna emeghị nke a kama, o kwudosiri ike nwee nchekwube na ihe niile ga-emecha dị mma. Ahụhụ pụtakwara ihe dị ka ndịnaya n'ihi na Nnenna bụ nwunye Ikechukwu tara ahụhụ ma bee akwa abalị maka ihe ọ na-amaghị maka ya n'ejije a. Ọ bụ site n'enyemaka onye ozi Chineke ka ya bụ ahụhụ jiri bie. Odee n'aka nke ya ji ụzọ dị otu a na-egosipụta ọghọm dị n'ịgọnarị mmadụ dị ka ọ dị n'ebe Ikechukwu na Amaka nọ. Nke a pụtara na odee akwadoghị ka a na-emesọ ụmụ nwaanyị omume dị otu a.

3.1.4 Chijioke

Odee ejije a ji akparamagwa Chijioke zipụta ndịnaya ajọ enyi. Ajọ enyi pụtara ihe n'ebe Chijioke enyi nwoke Ikechukwu nọ. Ọ bụ Chijioke nyere Ikechukwu ajọ ndụmọdụ gbasara ime ọ tụnyere Amaka. Ọ bụ ya gwara enyi ya nwoke Ikechukwu ka ọ ghara ikweta na ọ maara ihe ọ bụla gbasara afọ ime Amaka. Ọ bụkwazi site na ndụmọdụ ya a ka ọtụtụ ihe ji wee mebie. Odee ji ụdị agwa Chijioke egosipụta ajọ enyi n'ebe o metụtara ụmụnwoke. O gosiri na enyi niile abụghị ezi enyi; na enyi nwere ike idufu enyi ya ụzọ. O zipụtakwara na ụmụnwoke ndị ntorobịa na-edufukarị enyi ha nwoke ụzọ. Ọ sikwa n'ụzọ dị otu a katọọ akparamagwa ụmụ nwoke ebe o metụtara ịbụ ajọ enyi.

3.2 Agwa nta ndị dị n'ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*na Ndịna

Ngalaba a metụtara agwa nta n'ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*, ndịnaisiokwu/ndịnaya ha zipụtara nakwa ka o si metuta odee dị ka o si bụrụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ya bụ, agwa nta ndị pụtara ihe n'ejije a na ndịna ha gụnyere: Ngọzị, Ụkachi, Chikwado, Arịsa, na Prọfet. Ndịna ha n'aka nke ọzọ gụnyere: ezi enyi, nkwado, amamihe, mkpaọchị, nzuzu, ọrụ Chukwu, ekpere na ndị ọzọ.

3.2.1 Ngọzị

Odee ejije a ji Ngọzị zipụta ndịnaya ma ọ bụ ndịna ịbụ ezi enyi. Ngọzị gosipụtara onwe ya dị ka ezi enyi nwaanyị Nnenna. O nwere enyi ọ ga-abụ ọ bụrụ na enyi ya nwaanyị amụtaghị nwa ruo afọ iri na isii, o bido kọchawa ya gwawa ya okwu ọjọọ niile dị iche iche mana o meghị nke a. Ọ nọnyeere enyi ya nwaanyị Nnenna wee nye ya ezigbo nkwado pụrụ iche dị ka ezi enyi si eme. O mechakwara site n'ụzọ dị etu a nye ya ntụziaka maka onye ozi Chineke nke mechara gbaziere Nnenna na di ya ụzọ. Odee ji ụzọ dị otu a zipụta ụmụnwaanyị dị ka ndị ezi omume na ndị na-enye ezi nkwado ọ kachasị dị ka o si metụta enyi

na enyi. Site n'ịkpụ agwa Ngọzị ka ọ bụrụ ezi agwa, o gosiri na ụmụnwaanyị na-aka ụmụnwoke abụ ezi enyi nyere enyi ha dị ka ọ dị n'ebe Ngọzị na enyi ya Nnenna nọ, nakwa dị ka ọ dị n'ebe Ikechukwu na enyi ya Chijioke nọ.

3.2.2 Ụkachi

Odee ejije a ji Ụkachi nne Amaka zipụta ndịna/ndịnaya nke ezi nkwado. Ezi nkwado a pụtara ihe mgbe nne Amaka bụ Ụkachi nabatara ya nakwazi afọ ime ya n'ejije a. Mgbe Ikechukwu jụrụ Amaka na afọ ime ya, ọ bụ nne ya a bụ Ụkachi lekọtara ya ma nyekwa ya ezi nkwado zuru oke ruo mgbe ọ mụrụ ya bụ nwa. Mgbe Amaka gwara nne ya na ya chọrọ ịga wepụ nwa ọ dị ime ya, nne ya gbọjara ya ma kwe nkwa inyere ya aka ruo na njedebe. Odee n'aka nke ya ji omume Ụkachi n'ejije a zipụta ụmụnwaanyị dị ka ndị nwere ezigbo omume. Odee si n'ụzọ dị otu a zipụta ndị nne dị ka ndị hụrụ ụmụ ha n'anya nakwazi ndị na-akwado ụmụ ha.

3.2.3 Chikwado

E ji akparamagwa Chikwado zipụta ndịna nke oke amamihe. Oke amamihe nke a pụtara ihe mgbe Chikwado bidoro nyewe nne ya bụ Amaka nsogbu ka ọ gwa ya onye bụ nna ya. Ajụjụ Chikwado a malitere mgbe ụmụaka ibe ya bidoro kparịwa ya na-akọkwa ya ọnụ na o nweghị nna. Mkparị niile ndị a wutere Chikwado nke kpaliri mmụọ ya ịjụ nne ya banyere nna ya. Ihe ndị a Chikwado mere gosiri na o nwere oke amamihe ya nakwa nkwụdosike n'ihe. Odee sitere n'ụzọ dị etu a gọsipụta akparamagwa ụmụ nwoke ụfọdụ dị ka ndị nwere ezi akọnauche nakwazi ezi amamihe ọ kachasị mgbe ha chọrọ ịchọpụta otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ.

3.2.4 Arịsa

Nwadike ji agwa Arịsa kpara n'ejije a zipụta ndịaisiokwu "iberibe nakwazi mkpa ọchị". Iberibe pụtara ihe mgbe enyi nwaanyị Nnenna bụ Ngọzi chọtara enyi ya ọ bụrụ na ọ nọghị ya. Mgbe Ngọzị jụrụ Arịsa, o bidoro kọgheriwe. Etu a kwa ka Arịsa si wee zuzuo mgbe Nnenna na- ajụ ya gbasara Ngọzị. Mgbe di Nnenna bụ Ikechukwu na-ajụ ya maka ebe nwunye ya nọ, o kọgherikwara. N'aka nke ọzọ, Arịsa si n'ụzọ dị etu a mee ka e nwee ihe mkpaọchị n'ejije a. Nke a bụ maka na mgbe ọ bụla ọ na-ekwugheri, n'agbanyeghị ma iwe ọ ga na-ewe onye na-ajụ ajụjụ ma ọ bụ ọ naghị ewe ya, onye ahụ ga na-enwekwa obi aṅụrị site ihe si n'ọnụ na-apụta. Odee ji agwa Arịsa zipụta na ụmụnwoke ụfọdụ na-adị karị iberibe mana site na mmepụta iberibe ha, ha na-esitekwa na ya eweta obi ụtọ.

3.2.5 Prọfetị

Odee sitekwara n'akparamagwa Prọfetị wepụta ndịna/ndịnaya nke ọrụ Chineke. Ọrụ Chineke nke a pụtara ihe mgbe onye ozi Chineke rụrụ ọrụ dị ebube n'ụlọ

Ikechukwu na nwunye ya. O buuru ha amụma gbasara nsogbu ha nọ na ya nke bụ amụtaghị nwa ọtụtụ afọ. Ikechukwu na nwunye ya mechara site n'enyemaka ya nweta ụzọ ha si gboo mkpa ha. Odee ejije a si n'ụzọ dị etu a gosipụta na ụmụ nwoke ụfọdụ bụ ndị Chineke ji arụ ọrụ ọ kachasị dị ka o si metụta ibu amụma. N'aka nke ọzọ, odee ejije a zipụtakwara ụfọdụ ụmụ nwoke dị ka ndị nwere ezi agwa. Ọ bụrụ na Prọfetị abụghị onye obi ya dị ọcha, Chineke nwere ike ọ gaghị eji ya rụọ ụdị ọrụ O ji ya rụọ.

3.3 Agwa ukwu ndị dị n'ejije *Amaechina* na ndịna

N'ebe a, a na-akọwa maka agwa ndị ahụ bụ agwa ukwu n'ejije *Amaechina*, ndịnaisiokwu/ndịnaya ha zipụtara nakwa ka o si metuta odee dị ka o si bụrụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ya bụ, agwa ukwu ndị pụtara ihe n'ejije a gụnyere: Amaechina, Egondụ, Udumma, Ibekwe. Ọdịnaya e ji ha zipụta gụnyere: dike, nrube isi, agha, iwe na ọnụma, obi mgbawa, obi ọkụ, ọnwụ, abụmodogwu, nwaanyị dike, nwaanyị bụ ihe, nwaanyị dị mma, ezi nwaanyị, nrafu, akwa na arịrị, ajọ enyi, mgba okpuru, aghụghọ, na anya ụfụ.

3.3.1 Amaechina

Odee ejije a ji akparamagwa Amaechina zipụta ndịnaisiokwu/ndịnaya nke ịbụ dike, inwe nrube isi, agha, iwe na ọnụma, obi mgbawa, obi ọkụ, na ọnwụ. Dike pụtara ihe n'ejije a mgbe Amaechina gachara agha wee gabigachaa ọtụtụ nsogbu wee mechakwa si n'agha lọta ọ bụladị mgbe e chere na ọ nwụọla n'agha. Nke a bụ maka na aka Chineke dị n'ahụ ya. O zipụtara abụmdike ahụ mgbe a na-alụ agha n'ihi na nne ya bụ Egondụ zokatara ya o jiri aka ya pụta sị ihe ọ ga-apụta ya pụta. Ọ bụ dike n'ihi na o teelarịị o bidoro nwewe mmasị isoro ibe ya gaa n'ọgbọ agha kama nne ya siri ike na mmadụ wee na-ezokwa ya oge ọ bụla.

Inwe ezi nrube isi pụtara ihe n'ejije a mgbe nne ya bụ Egondụ na-akwagharị ya n'ụzọ ọ bụla. Mgbe nne ya bụ Egondụ jere jiri aka ya wee lụtara ya nwaanyị na-achọghị ịma ka ọ bụ ụdị nwaanyị ahụ ka Amaechina chọrọ ịlụ; e nwere nwa ọ ga-abụ, ọ jụ. Ọ bụrụkwanụ na o kwetara n'ikpeazụ, ọ ga-eji nwaanyị ahụ a lụtaara ya mee ihe masịrị ya n'ihi na o nweghị mgbe ya sịrị mmadụ gaa lụtara ya nwaanyị. Amaechina nabatara nwaanyị nne ya lụtara ya n'obi ọcha ma na-eletakwa ya anya nke ọma ruo mgbe ọ hapụrụ ya gawa agha. O nwere nrube isi nye nne na nna ya n'ihi na e nwere mgbe nne ya bụ Egondụ chọrọ iji aka ya manye ya na nwunye ya bụ Udumma ka ha nye ya nwa. Amaechina matara na ọ bụ nne ya wee bụrụkwa nne na-achọ ka ama ya ghara ichi o wee jiri ọchị mebie echiche nne ya n'abalị ahụ. Akparamagwa Amaechina zipụtara na ọ bụ onye nwere ike ịkwụnwu n'ọgbọ agha ma lụkwaa ọgụ so ya. Ọ bụ site n'agha a ka ọtụtụ ihe ọjọọ dị iche iche ji mee.

Iwe na ọnụma sokwa na ndịnaisiokwu pụtara ihe mgbe Amaechina chọpụtara na enyi ya nwoke bụ Ibekwe goro ndị mmadụ ka e gbufuo ya mana ebe ọ kacha nwee obi mgbawa bụ mgbe ọ lọtara wee chọpụta na Ibekwe anarala ya ụra wee rahụ site n'ịlụ na ịtụwa nwunye ya Udumma ime. Ọ bụkwazi site n'ụdị obi mgbawa a na ọnụma a mere Amaechina ji wee mee ọtụtụ ihe o mere nke mere ka ama, nke nne ya achọghị ka o chie ji mechaa chie. Obi ọkụ bụkwa ndịnaisiokwu ọzọ e ji agwa na akparamagwa Amaechina zipụta. Ọ pụtara ihe mgbe Amaechina gburu enyi ya bụ Ibekwe ma gbuokwa onwe ya. Ọ bụrụ na Amaechina nwere ndidi ga zuo ike mgbe ọ lọtara agha, o nwere ike ịlụtakwa ezi nwaanyị ọzọ wee sizie etu ahụ mee ka ama ya ghara ichi. O ji obi ọkụ ma chefuo ahụhụ niile ọ tara tupu ọ lọta n'agha. O chefụkwara echiche na ihe nne ya ji ezokwa ya kwa mgbe. O chefuru na mgbe nna ya nọ ndụ na ọ bụ onye enweghị isi na mmadụ. O chefuru na nnapụta Chineke napụtara ya n'aka ndị iro bụ ka o wee bụrụ mmadụ wee baara onwe ya uru. Amaechina chefuru ihe ndị a niile wee gbuo enyi ya ma gbuokwa onwe ya. Ọ mataghị na nkịrịka ndụ ka ajọ ọnwụ mma.

E jikwa Amaechina, Ibekwe, nne Amaechina na Egondụ wee zipụta ndịnaisiokwu ọnwụ mgbe Amaechina na ha niile nwụrụ. E sikwa n'ụzọ dị otu a zipụta ka ọnwụ si emetụta agha na ịlụ ọgụ. A gakwara n'ihu zipụta ụmụnwoke ụfọdụ dị ka ndị na-enwe ajọ obi, obi ike, iwe ọkụ na ọnụma mgbe e megidere ha n'ụzọ na-ekwesighị. N'ikpeazụ, o zipụtara ụfọdụ ụmụnwoke dị ka ndị na-enwekarị obi ọkụ nakwazi ndị nwere ike igbu mmadụ ma gbuokwa onwe ha site ka ọnọdụ na nsogbu ụwa si wee dakwasị ha.

3.3.2 Egondụ

Nwaozuzu ji akparamagwa Egondụ nne Amaechina zipụta ndịnaya nke ịbụ ezi nwaanyị na odogwu nwaanyị. Ezi nwaanyị a pụtara ihe mgbe ọ bụ Egondụ, nwaanyị a lụtara alụta, na-eme ihe di lụtara ya kwesịrị ime. Ọ bụrụ na e wezuga Egondụ na ndụ Chikwe bụ di ya, ọ dighị anyị ka Chike a ga-amụtakwa Amaechina bụ naanị nwa nwoke ha mụtara. Nke a bụ maka na ihe e ji mara Chikwe bụ ịnụ mmanya. O nweghị ihe a na-eme n'ụlọ na-emetụta ya n'ahụ ma ncha. Egondụ rụrụ ọrụ ka ezi nwaanyị anya ruru ala nke na anya ya zuru ihe niile banyere ezi na ụlọ ya. Ọ bụ site n'ụzọ dị etu a ka o ji mata na ọ bụrụ na nwa ya nwoke bụ Amaechina amụtaghị nwa na ama ha ga-echi. Ọ bụ nsogbu dị otu a mere o ji ga lụtara nwa ya nwaanyị n'oge ka ama ha ghara ichi.

N'ụwa taa, o siri ike ịhụta nwaanyị dị ka Egondụ nke nwere ezi echiche gbasara ezi na ụlọ ya. Ndịnaisiokwu odogwu nwaanyị pụtara ihe n'ejije a n'ihi na a bịa n'obodo ha, onye ọ bụla na-ahụta Egondụ ka nwaanyị na-eme eme n'obodo. Ọ naghị achị mgbe ọ bụla ọ chọrọ ihe dị ya nnukwu mkpa. Onye ọ bụla maara ya nke ọma dị ka nwaanyị bụ ọ kaa o mee. Site n'akparamagwa ya ka ndị obodo ji

akpọ ya "egedege nwaanyị". Nke a gosiri na ọ naghị ekwe ekwe. Ọ bụ site n'ụdị agwa a ọ na-akpa ka o ji ga lụtara nwa ya nwaanyị ma chọkwaa iji aka ya manye ha ka ha mụtara ya nwa tupu ama ya echie. Mgbe ndị amị na-agagharị n'obodo ejide ụmụ nwoke maka ịga agha, o jisiri ike na-ezo nwa ya ka a ghara ijide ya. Oge ọ bụla ndị amị bịara, ya na ha na-alụ ya ka ọgụ.

Odee ji ụdị akparamagwa Egondụ gọsịpụta na nwaanyị nwekwara ike ịbụ ide ji ụlọ. O gosiri na nwaanyị bụ ihe ukwu; na nwaanyị bara uru n'obodo. Odee gara n'ihu zipụta ụmụ nwaanyị dị ka ndị ike; ndị na-eme eme na obodo. Nke a na-egosi na ụmụnwaanyị so n'ihe a na-eme n'obodo. O zipụtakwara na e wezuga ụmụ nwaanyị na ọtụtụ ezi na ụlọ ga-abụ ihe e chefuru echefu. Nke a gosiri na nwaanyị so bụrụ ide nke so jide ezi na ụlọ.

3.3.3 Udumma

Udumma ka odee ji zipụta ndịnaisiokwu, nke ịhụnanya, onye e nwere ike ịrafu, na akwa arịrị. Ịhụnanya pụtara ihe mgbe nne di ya gara lụtara ya nwa ya nwoke bụ Amaechina. Ọ nabatara Amaechina ma hụkwa ya n'anya nke ukwuu nke na mgbe Amaechina gawara agha, o bidoro bewe akwa na-arịọ ya ka ọ ghara ịga. Mgbe ọ hụkwara enyi Amaechina bụ Ibekwe n'ụzọ, ọ jụkwara ya ese di ya bụ Amaechina ka ọ mara ka o mere. Mgbe ọ nụrụ na di ya nwụrụ n'agha, o bere akwa ma kwaa arịrị nke ukwuu nke na ọ nọrọ otu afọ tupu o kwe ka Ibekwe lụwa ya.

Onye a rafuru pụtara ihe mgbe Ibekwe si n'agha lọta wee gwa Udumma na di ya anwụọla ma sịkwa ya letewe ya anya. Ọ bụrụ na Udumma bụ onye na-echemi echiche ala, o nwere ike ịghọta asị niile Ibekwe na-asịrị ya n'ihi na ọ bụghị mgbe ahụ ka Ibekwe bidoro nwewe mmasị n'ebe ọ nọ. Ọ kaara iche echiche banyere ka ihe niile si wee mee tupu o kwe ka Ibekwe lụwa ya. Ndịnaisiokwu akwa arịrị pụtara ihe mgbe Udumma lọtara n'agha wee hụ ọkpụkpụ nne di ya ka ọ ghasachara n'ala nke gọsịrị na ọ nwụọla, o bere oke arịrị. Arịrị pụtakwara ihe mgbe Udumma nụrụ na di ya anwụọla, o bere arịrị nke ukwuu.

Odee ji agwa ndị a Udumma kpara wee gosi na ụmụnwaanyị bụ ndị na-ahụkarị mmadụ n'anya ọ kachasị di ha ma ọ bụ ụmụnwoke ha nwere mmasị n'ebe ọ nọ. O gosikwara na ụmụnwaanyị ndị ụfọdụ bụ ndị e nwere ike ịghọgbụ. Ọ gakwara n'ihu zipụta ụmụnwaanyị dị ka ndị na-ebekarị akwa arịrị ọ kachasị mgbe ihe metụtara ha nke ukwuu ma bụrụkwa nke na-agbawa obi.

3.3.4 Ibekwe

Odee ji akparamagwa Ibekwe zipụta ndịnaisiokwu nke ịbụ ajọ enyi, mgba okpuru, aghụghọ na anya ụfụ. Ajọ enyi pụtara ihe mgbe Ibekwe bụ ezigbo enyi Amaechina nwewara ajọ obi n'ebe ọ nọ. Mgbe o bidoro gbawa ya mgba okpuru

bụ mgbe ọ gwara ndị amị ebe ha ga-ejide ya. Ọ bụrụ na Ibekwe bụ ezigbo enyi, ọ kaara inye aka zokwa enyi ya ka ndị amị ghara inwudo ya. Ọ gaghị enye ndị iro ego ka ha gbuo enyi ya ọ bụnadị mgbe ọ nwụghị n'agha. Ibekwe gbara Amaechina mgba okpuru mgbe ọ gwara ndị amị ebe ha nwere ike ijide enyi ya nwoke bụ Amaechina. Ọ pụtazikwara ihe mgbe Ibekwe goro ndị mmadụ ka ha gbufuo Amaechina ka a lụchara agha. Aghụghọ pụtara ihe mgbe Ibekwe zutere Udumma n'ụzọ wee gwa ya na Amaechina di ya dịzi ka eriri e ji eke nkụ nke pụtara na Amaechina atagbuola onwe ya n'ahụhụ. Anya ụfụ pụtara ihe mgbe Ibekwe nọ na-ekwu na enyi ya bụ Amaechina gara lụta nwaanyị nọrọ na-ekpori ndụ ebe ya bụ Ibekwe nọ n'ọgbọ agha. Ihe ndị a niile ka odee ji zipụta ụfọdụ ụmụnwoke dị ka ndị ajọ enyi, aghụghọ, anya ụfụ, anya ukwu, ajọ obi, na ndị na-agba mmadụibe ha mgba okpuru.

3.4 Agwa nta ndị dị n'ejije *Amaechina*na ndịna

N'ebe a, a ga-enyocha agwa nta dị n'ejije *Amaechina*, ndịnaisiokwu/ndịnaya e ji ha zipụta nakwa ka o si metụta odee dị ka o si bụrụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ya bụ, agwa nta ndị pụtara ihe n'ejije a na ndịna ha gụnyere: Chikwe, Adaọha, Choocho, Ogbonna, Atụegwu. Ndịna e ji ha zipụta gụnyere: efurefu, ngana/umengwụ, ezi agbataobi, ajọ enyi, onye ụjọ, na obi ike.

3.4.1 Chikwe

Odee ejije a ji akparamagwa Chikwe zipụta ndịnaisiokwu ma ọ bụ ndịnaya nke ịbụ efulefu na onye umengwụ. Nke a pụtara ihe n'ihi na mgbe ejije a bidoro, a hụtara na Chikwe bụ nna Amaechina enweghị isi na mmadụ. Naanị ihe ọ dị mma ya bụ ịṅụrụ mmanya na-akpagharị n' obodo. Mgbe ụfọdụ, ọ ṅụcha, ọ dachie ụzọ. Na a na-akọ ọrụ ugbo abụghị maka Chikwe. Na a na-achọta ihe afọ ga-eri abụghịkwa maka Chikwe. Naanị ihe ọ bụ mmadụ na ya bụ ịṅụ mmanya na ịkọgheri n'ime obodo. E wezuga nwunye ya na-enye ya nri ọnụ, agụụ gaara ịnyụ ya ịkpakwụ. Ọ bụ site na nzuzu na inweta ọ dị ka ọ dị ya dị ka enyi nke ọ kpọrọ Choocho mechara butere ya ọnwụ erughi eru. Efulefu mmadụ pụtakwara ihe na ndụ Chikwe n'ejije a n'ihi na mgbe ndị amị na-echu be ya dị ka e si echu mmiri ebe ha na-achọ ijide Amaechina nwa ya nwoke, o nweghị mgbe ha bịara ọ nọ n' ụlọ. Ọ bụ naanị nwunye ya bụ Egondụ na-adị echere ha aka mgba iji zoo nwa ha ebe Chikwe nọ otu ebe anụ mmanya.

Ndịnaisiokwu ọzọ Chikwe zipụtara bụ nke ịbụ onye umengwụ. Chikwe enweghị ume ọ bụla ma ncha. Naanị ihe ahụ ya chọrọ oge ọ bụla bụ nri, mmanya na oke nkwugheri. Ọ naghị akọ ugbo, nke o ji agbakeri ala chọta ihe afọ ga-eri. Chikwe achọghị ihe ọ bụla ga-enye ya nsogbu na ndụ ya. Nke a mere o ji hapụzie nwunye ya ka ọ bụrụ ide ji ụlọ ebe ya onwe ya kwesịrị ịbụ ide ji ụlọ. Odee n'aka nke ya ji agwa ndị a Chikwe zipụtara n'ejije a gosi na ọtụtụ

ụmụnwoke bụ ndị enwechaghị isi na mmadụ. O sizikwa n'ụzọ dị etu a gosikwa na ụmụ nwoke ụfọdụ bụ ndị umengwụ.

3.4.2 Adaọha

E jikwa agwa Adaọha kpara zipụta ndịna/ndịnaya nke ịbụ ezigbo agbataobi. Ezi agbataobi a pụtara ihe mgbe agha na-ada. Egondụ jụrụ na o nweghị ihe ga-eme ka o soro ibe ya gbapụ ọsọ ndụ mgbe agha rịwara elu. Ọ bụ Adaọha bịara na-arịọ ya ka o soro ha gbapụ ọsọ ndụ. N'agbanyeghị na Egondụ gbara isi akwara na-ekwusi ike na o nweghị ihe ga-eme ka ya hapụ ama ya soro ha gbapụ, Adaọha jisiri ike na-arịọ ya. O nwere onye ọ ga-abụ, ọ rịọ ya nke mbụ ebe ọ bụ na mgbọ na-ada aghara aghara, ọ hapụ ya zọwa ndụ ya. Adaọha nwara oke ya mana n'ihi na ọnwụ na-egbu nwa nkịta anaghị ekwe ya anụ isisi nsị, Egondụ kachiri ntị. Ọ bụ mgbe Adaọha chọpụtara na ịrịọ Egondụ dị ka ịwụ mmiri n'okwute mere o ji duru Udumma gbapụ ọsọ ndụ. Odee ejije a si n'ụzọ dị etu a zipụta ụmụnwaanyị ụfọdụ ka ndị ezi agbataobi nakwa enyi mmadụ ibe ha.

3.4.3 Choocho

Choocho ka odee ji zipụta ndịna/ndịnaya nke ajọ enyi na efulefu. Ọ bụ Choocho mere ka Chikwe zute ọnwụ ya. Mgbe ndị amị na-achụ Choocho ka ha jide, kama ọ ga-agbaba n'ọhịa ma ọ bụ na be ya, ọ gbabatara na nke Chikwe ha nke mechara bute ọnwụ Chikwe. Ọ bụrụ na ọ gbabaghị n'ụlọ Chikwe ha, Chikwe kaara ịdị ndụ. Ajọ enyi pụtakwara ihe n'ihi na mgbe Choocho chọpụtara na Chikwe na-emegheri emegheri, o nyeghị ya ezi ntụziaka dị ka ezi enyi si eme, kama ọ gara n'ihu kụziwere ya ihe ọjọọ ndị ọzọ Chikwe amabụghi na mbụ. Nke a gosiri na ọ bụ ajọ enyi bụkwara onye umengwụ dị ka Chikwe. Ọ bụ naanị mmanya ka ya na Chikwe dị mma ya. O nweghị ihe e ji aba uru na-abata ha n'obi. Naanị mmanya ka ahụ ha chọrọ. Odee ji akparamagwa Choocho gosi na ọtụtụ ụmụnwoke abụghị ezigbo enyi nyere enyi ha. Odee zipụtara na ụmụnwoke ụfọdụ na-edufukarị enyi ha ụzọ. Ọ gakwara n'ihu zipụta ọtụtụ ụmụnwoke dị ka ndị umengwụ ndị ọ bụ nwunye ha bụ na ha na-eri nri n'ezi na ụlọ.

3.4.4 Ogbonna

Ogbonna ka odee ji zipụta ndịnaya ụjọ ma ọ bụ ịtụ egwu. Ụjọ a pụtara ihe mgbe Amaechina lọtara n'agha. Ogbonna na enyi ya nwoke bụ Atụegwu na-aga n'ụzọ mgbe ahụ. Ozugbo ha hụrụ ya, ha tikapụrụ ọsọ ka ndị ara na-apụ ọhụrụ. E mechara Atụegwu dị ka aha ya si dị bịazie nso were aja wụọ Amaechina n'ahụ iji mata ka ihe Amachina gwara ha abụ eziokwu. Mgbe nke a na-eme, Ogbonna ka nọkwa anya na-ekiri ihe na-eme. O kweghị abịa nso ma ncha. Ọ bụ mgbe ọ chọpụtara na Amaechina dị ndụ ka ọ bịara nso bịazie soro makụọ Amaechina. Odee ji ụzọ dị etu a zipụta ụmụ nwoke ụfọdụ dị ka ndị ụjọ ọ kachasị mgbe o metụtara ịhụ mmụọ.

3.4.5 Atụegwu

E ji Atụegwu zipụta akparamagwa inwe obi ike ma ọ bụ atụghị egwu. Nke a pụtara ihe mgbe Amaechina na-alọta n'agha. Ọ bụ eziokwu na obi mapụrụ ya na enyi ya nwoke mgbe mbụ ha hụrụ Amaechina mana nke a egbochighị ya ịgaru ya nso. Ọ bụ ya bụ onye mbụ katara obi were aja wụọ Amaechina n'ahụ iji mata ma ọ ka dị ndụ. Dị ka aha ya si dị, ọ bụ atụegwu n'ezie. Odee ji agwa ya zipụtakwa na ọtụtụ ụmụnwoke anaghị atụ egwu. Ọ bụrụgodu na ọ bụ mmụọ, ha anaghị atụ egwu.

4.0 Nchịkọta

Na nchọcha a, a chọpụtara na e nwere ihe jikọtara agwa na ndịnaya nke bụ na ha abụọ na-ejikọ aka ọnụ ewepụta mbụnuuche odee, nhazi ejije odee, ihe odee bụ dị ka nwoke ma ọ bụ nwaanyị. E nwere ike ịsị na agwa na ndịna bụ a hụghị mmiri sị esila nri. Nke a pụtara na ha abụọ dị ka ejima. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na odee nwere ike isite na ụdị isiokwu ya kpụọ ụdị agwa ọ ga-eji zipụta echiche ya ma ọ bụ ndịnaisiokwu ọ chọrọ izipụta n'ejije. Ya bụ, na e nwere ike isite n'agwa dị n'ejije wepụta isiokwu na ndịnaisiokwu ndị dị n'ejije dị ka anyị hụrụla na nchọcha a. A chọpụtara na odee nwere ike isite n'ọkpụkpụ agwa ya n'ejije gọsịpụta ụdị mmadụ ọ bụ dị ka nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ụdị echiche isiokwu na ndịnaisiokwu Nwadike bụ odee *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* ji agwa nwaanyị ndị ọ kpụrụ zipụta bụ agwa ọma. Nwadike bụ odee nwoke mana n'ejije ya, o weere agwa niile kwesiri iṅomi nye ụmụnwaanyị dị ka nke o nyere Amaka, Nnenna, Ngọzị na Ụkachi. Dị ka o si metụta ụmụnwoke, Nwadike zipụtara ha dị ka ndị aghụghọ, ndị oke amamihe na ihe ọjọọ ndị ọzọ. Ya bụ, echiche Woolf na Beauvoir adabaghị n'ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*.

Echiche Woolf na Beauvoir pụtara ihe n'ejije Amaechina n'ihi na Nwaozuzu (nwaanyị) mere ka ụmụnwaanyị ndị nọ n'ejije ahụ nwee ezi agwa. Ịmaatụ, o zipụtara Egondụ nne Amaechina dị ka nwaanyị maara ihe ekwe na-akụ dị ka o si metụta nkwado ezi na ụlọ, ma zipụta di ya bụ Chikwe dị ka efulefu na onye aṅụrụma. Ya bụ, echiche Woolf dabara n'ebe ọ dị ukwuu n'ejije a bụ *Amaechina.*

Na ndịnaisiokwu n'ejije abụọ ndị a, a hụtara etu odee si site na agwa ndị nọ n'ejije kpụọ/zipụta ndịnaisiokwu ndị pụtara ihe na ya. Nke a gosiri na e nwere njikọ dị n'ebe agwa na ndịnaisiokwu nọ. Ọzọ bụ na anyị ahụla na odee nwekwara ike igosi ọhanaeze ụdị mmadụ ọ bụ dị ka nwoke ma ọ bụ nwaanyị dị ka a hụrụ ya n'*Amaechina*. N'aka nke ọzọ, anyị ahụla na ọ bụghị mgbe niile ka echiche Woolf na Beauvoir na-adaba n'ọrụ agụmagụ dị ka a hụrụ ya n'ọrụ Nwadike bụ *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*. Nwadike bụ odee nwoke mana ọ kpụghị

agwa ndị dị n'ọrụ ya n'ụdị iwelite agwa ụmụ nwoke dị ka ndị kacha mkpa ma ọ bụ n'ezi omume.

Edensibịa

Abrams M. H. & Harpham, G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.). United Kingdom: Wadsworth Cengage Learning.

Achomadu, O. (2011). Tony Ubesie as an Igbo novelist. Amụma M.A, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Anderson, A. C., Brinnin, E., Leggelt K., Hamilton, C., Burroway, B. C. & Leeming, C. (1993). *Elements of literature*. New York: Holt Reinchart and Winston.

Asogwa, S. N. (2008). Agwa, akparamagwa, na ntọala *N'ụgomma.* Arụmarụ BA, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Chukwuajah, C. J. (2018). Asụsụ na agwa: Ka ha dị n'*Ọnọdụ ugo* na *Akarachi*. Arụmarụ B. A. Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka

Beauvoir, S. (1952). *The second sex* (Translated and edited by H. N. Parshley) London: Jonathan Cape.

Dobie, B. A, (2012). *Theory and practice: An introduction to literary criticism.* Louisiana: Wadsworth Cengage Learning.

Echebima, H. C. & Ikeokwu, E. S. (2017). Characterisation and naming: A relational identity in *Eruru* and *Ọnọdụ Ugo Adịghị Egbe Mma.Nsukka Journal of African Languages and Linguistics*, 12, 86-111.

Ezebube, C. C. (2018). Ngụgharị *Amaechina* nke G. I. Nwaozuzu. *Ekwe Jonal*, 10(1), 1-11.

Foster, E. M. (1927). *Aspects of novel*. England: Penguim books.

Ikeokwu, E. S. & Onyejekwe, M. (2009). *Mmalite ọmụmụ na nghọta ejije Igbo: Ọdịnala na ọlọrọọhụrụ*. Enugu: CIDJAP Press.

Keen, M. (2003). *Narrative form*. New York: Palgrave Macmillian.

Maude, K. (2009). *Beckett, technology and the body*. Cambridge: Cambridge University Press.

Nwadike, I. U. (1989). *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ*. Ọnịtsha: Kawuriz & Manilas Publishers Ltd.

Nwadike, I. U. (1992*). Ntọala agụmagụ.* Onitsha: Ifunanya Publishers.

Nwahunanya, C. (2012). *Literary criticism, critical theory and postcolonial African literature* (3rd ed.). Owerri: Springfield Publishers Ltd. Nwaozuzu G. I. (2014). *Amaechina.* Enugu: University of Nigeria Press Ltd.

Okafor, J. N. (2011). Ejije. N'ime J. I. Obidiebube, C. J. Anidobe and C. C. Ezealor (Odz.), *Amụmamụ ozurumba Igbo* (ihu 8-17). N P: Homer & Hammer Ltd.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press Limited.

Ozokolie, L. O. (2012). Ịkpụ agwa na-egosipụta jenda odee. Arụmarụ BA, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ ndi ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka.

Roberts, E. V. & Jacobs, H. E. (2007). *Literature: An introduction to reading and writing* (8th ed.). Canada: Pearson Prentice Hall.

Soles, F. (2009). *A management model and factors driving performance in public organizations*. UK: Emerald group publishing limited.

Ugwuijem N. M. (2015). Ngosipụta agwa ụmụnwoke n'ejije Nwaozuzu, *ajọ obinanke m jika*. Arụmarụ B.A., Ngalaba Lingwistiks Igbo na Asụsụ ndị ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka.

Uzochukwu, S. (2012). *Igbo literature and stylistics*. Obosi: Pacific Publishers.